Center for Intercultural Dialogue
Key Concepts in Intercultural Dialogue
Okwu ndị Gbara Ọkpurụkpụ Eji Ekwu maka Nkwurịta Okwu n'etiti Omenala Dị Iche Iche

# Njikwa Esemokwu

*Qi Wang*
*Onye Osote Prọfesọ nke Communication, Villanova University*

## Kedu ihe ọ bụ?

Njikwa esemokwu bụ usoro nke eji ejikwa maọbụ egbochi ihe ọbụla nke nwere ike iduba na nsogbu maọbụ esemokwu site n'iwepu ihe dị njo nakwa ime ka ihe dị mma pụta ihe. Nsogbu nwere ike ị bụ nke akparamagwa, nke omume maọbụ ihe gbasara ekwekọrịtaghị dị n'etiti mmadụ na ibe ya. Ebe ndozi esemokwu lekwasịrị anya na ibelata maọbụ ịkwụsị esemokwo, njikwa esemokwu lekwasịrị anya na atụmatụ eji eme ihe n'ebe ọ kachasị mma.

Nkwuputa nke kasị ibe ya n'ihe gbasara njikwa esemokwu gba gburugburu dabere na ihe ndị ọka mmụta abụọ ndị a, Robert R. Blake na Jane S. Mouton, dere na afọ 1964. Site na nyochaa na mgbakwunye na-eso ihe ndị ọka mmụta ndị a dere, a na-eji nkwupụta ha akọwa usoro ise dị iche iche eji ejikwa esemokwu. Ụzọ ise ndị a bụ: a) nhazị (usoro onye lawa, onye lawa nke eji eme ka mmadụ abụọ rite uru), b) nnabata (mmadụ itufu oruru ya maka ịdị mma onye ọzọ), ch) mkpagbu (mmadụ ibi ndụ sọsọ maka onwe ya, na-echeghi maka ndị ọzọ), d) izere (omume nke na-egosi ịwepu onwe gị n'ihe) ya na e) nkwenye (ime ka obi dịrị onye ọbụla mma).

## Onye na-eji ya arụ ọrụ?

Njikwa esemokwu bara uru maka ndị na-azụ ahịa, njikwa ahịa, nkwurịta okwu mmadụ na ibe ya (ọmụmaatụ: mmadụ na onye ọzọ, ezinụlọ, di na nwunye, nakwa enyi na enyi), nzukọ (ọmụmaatụ: n'ọkwa ogo dị elu, otu na otu ọzọ, na mmekọrịta onye isi na ndị ọ na-elekọta), mmekọrịta ndị mmadụ si n'ebe dị iche iche (ọmụmaatụ: onye nnabata ọbịa na ọbịa ya, mgbanwe, na ị mara ihe), ya na mmekọrịta ọhaneze (ọmụmaatụ: ụlọ ọrụ nke ọtụtụ mba, nakwa ndị obodo). A na-ejikwa amamihe gbasara njikwa esemokwu etinye n'ọrụ n'ụzọ dị iche iche (ọmụmaatụ: ụlọ akwụkwọ dị elu, na obodo) nakwa inye ndụmọdụ).

## Mkparịta ụka dị n'etiti ndị mmadụ dị iche iche okwesiri ekwesi?

N'ezie, njikwa esemokwu dị mkpa gbasara mkparịta ụka nke dị n'etiti ndị mmadụ dị iche iche, n'ihi na omenala dị iche iche na-emekarị ka esemokwu bịa. Ndị mmadụ amaghị na ọbụghị esemokwu niile bụ esemokwu n'ezie: ihe ndị mmadụ na-ahu dị ka esemokwu na-abụkarị maka na ha aghọtaghị omenala ndị ọzọ. Mmadụ na ndị ọzọ ịkpakọrịta ụka maọbụ imekọrịta site n'usoro ziri ezi dị oke mkpa.

## Olee ọrụ fọdụrụ?

Nke mbu, nnyocha a ga-eme n'odinihu maka njikwa esemokwu kwesirị itinye anya n'ihe gbasara ọnọdụ dị iche iche ndị mmadụ nọ n'ime ya. Nke abụọ, ekwesiri ime ka ndị mmadụ mara na-enwere ihe dị iche n'esemokwu dị n'etiti mmadụ na ibe ya na esemokwu gbasatara ịrụ ọrụ. Nke a dị mkpa, ọkachasị n'ụlọ ọrụ. Nke atọ, ndị mmadụ ga-atule uru na ọghọm dị na ihe gbasara esemokwu. Esemokwu nwere ike inyere ndị mmadụ aka ịmata ihe bụ mkpa ha dị iche iche. Site na ịmata mkpa ha dị iche iche, ha nwere ike ịchọ ụzọ ha ga-esi gboo mkpa ndị a. N'otu aka ahụ, ha nwekwara ike ịghọta onwe ha nke



Originally published in 2015; revised in 2016; translated into Igbo in 2017.

ọma. Etu a, njịkwa esemokwu ga-adị ire na nkwurịta okwu nke nghọta dị na ime ya.

## Nrụaka

Blake, R. R., & Mouton, J. S. (1964). *The managerial grid:The key to leadership excellence.* Houston, TX: Gulf.

Rahim, M. A. (2002). Toward a theory of managing organizational conflict. *International Journal of Conflict Management, 13,* 206-235.

**Onye ntụgharị: Kingsley Ọlụchi Ugwuanyị**



Originally published in 2015; revised in 2016; translated into Igbo in 2017.